lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Jizọs mere ka onye-ìsì hụ ụzọ



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Janie Forest
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Bartimiọs bụ onye-ìsì, nọ ọdụ n'akụkụ okporo ụzọ dị nso na Jeriko.  Na-arịọ arịrịọ.  O yikarịrị ka ụfọdụ ndị nwere obiọma na-enye ya obere mkpụrụ ego maọbụ iberibe nri ka ha na-agafe.  Bartimeọs enweghị ike ịrụ ọrụ n'ihi na ọ naghị ahụ ụzọ.  Ọ bụ naanị arịrịọ ka o nwere ike ịrịọ.



Otu ụbọchị, okporo-ụzọ ahụ nọ na-ekwo ekwo. Bartimeọs nụrụ nzo-ụkwụ nke ọtụtụ mmadụ. O chee na ihe pụrụ iche nọ na-eme. N’oge na-adịghị anya, onye ìsì ahụ matara ihe ọ bụ. Jizọs onye Nazaret nọ n'obodo. Ìgwè mmadụ gbakọrọ ka ha hụ Jizọs, ka ha nụkwa olu ya.





"Jizọs, Ọkpara Devid, meere m ebere!" Gịnị mere Batimiọs ji tie mkpu? Gịnị mere o ji chee na Jizọs ga-enyere ya aka? Ma eleghị anya, ọ nụwo banyere ndị ọzọ Jizọs gwọrọ ọrịa. Ụfọdụ bụ ndị ntị chiri, ụfọdụ ndị dara ogbi, ụfọdụ ndị ngwọrọ - ma ụfọdụ kpuru ìsì, dịka ya onwe ya. "Nwa Devid, meere m ebere," ka Batimiọs tiri na mkpu ugboro ugboro. Olu ya dara n'olileanya.



Batimiọs ji otu ihe n'aka. Ọ bụrụ na ọ nwetaghị enyemaka ugbua, ọ gaghị enwe ohere ọzọ. Jizọs nwere ike ghara ịgafekwa ụzọ ya ọzọ.



Batimiọs aghaghị ịbịarute Jizọs nso. Ma ndị mmadụ emegharịghị ahụ. “Sssshhh!” ka ha kwuru. Ha dọrọ ya aka ná ntị ka o mechie ọnụ.



Ma Batimiọs emechighị ọnụ. Ọ nọgidere na-eti mkpu. Na mberede, Jizọs kwụsịrị! Gee ntị! O nyere iwu ka a kpọtara ya onye ìsì ahụ!
“Nwee obi ụtọ,” ka ndị mmadụ gwara Batimiọs.
“Bilie. Ọ
na-akpọ gị.”



N'ịtụpụ uwe ya n'akụkụ, Batimiọs biliri wee bịakwute Jizọs.



“Gịnị ka ị chọrọ ka m meere gị?” ka Jizọs jụrụ ya.  Kedu ka ị gaara esi zaa? Ị gaara arịọ maka nnukwu ego ma ọ bụ uwe ọhụrụ mara mma?  Ọ bụ ihe ahụ ka Batimiọs chọrọ?



Mba, Batimiọs kpuru ìsì arịọghị Jizọs
ọla edo maọbụ uwe mara mma.
Ị maara ihe ọ chọrọ.



"Onye-nwe-anyị, ka e mee ka m hụ ụzọ."  Batimiọs chọrọ ịhụ ụzọ!  Ịhụ osisi na nnụnụ na ịma mma niile nke Chineke kere.  Ọ chọrọ ịhụ ka o wee nwee ike ilekọta onwe ya ma ghara ịbụ onye arịrịọ.



Mgbe ahụ, Jizọs siri Batimiọs, “Hụ ụzọ. Okwukwe gị azọpụtawo gị.”



Ngwa ngwa ọ hụrụ uzọ, wee soro Jizọs. Naanị ihe o nwere ike ikwu bụ “Chineke dị ebube! Ọ gwọrọ m ọrịa!” Ọ bụ oge magburu onwe ya nye Batimiọs.





Ndị mmadụ niile, mgbe ha hụrụ ya, nyere Chineke otuto.  Ọzọkwa, ha ahụwo ike dị ebube nke Ọkpara Chineke, bụ́ Jizọs, na-eme ka otu onye arịrịọ dara ogbenye, kpuru ìsì, hụ ụzọ.

Jizọs mere ka onye-ìsì hụ ụzọ

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke, bu akwukwo nso

Di n'ime

Mak Isi nke iri, Luk Isi nke iri na asatọ, Jọn Isi nke itoolu

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie.  Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi.  Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia!  O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi!  O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo.  Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi.  Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi.  Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile!  Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.